# ISO N'IME UGBO OKPORO IGWE N'EME ENJM ONWU

Nke si n'aka
© Moses C. Onwubiko

Odighi onye o bula nwere
ihunanya kari nka uku, ka
mmadu togboro ndu ya n'ihi ndi enyi ya
(Jon 15:13)

Tulee uche gi, ebe i no n'ime ugbo okporo igwe a marala ikpe onwu. Mmadu niile no n'ime ugbo ahu, tinyere gi onwe gi bu ndi amarala ikpe onwu, ebu na-aga ukwugbu.

Mgbe o foduru ihe nta ka ugbo ahu ruo ebe o na-aga, ahuru otu nwaokorobia ka o no n'etiti uzo ugbo ahu n'ihu ihu. Nwaokorobia a ihu na okwusiri ugbo a weliri okoloto uhie uhie elu n'efe ya iji kwusi ugbo ahu. Onye na-anya ugbo okporo igwe a gbara mbo kwusi ugbo ahu n'ike, ebe ndi isi no n'ugbo ahu jiri oso gawa ichoputa ihe Nwokorobia a choro n'aka ha. - Inwuchitere mmadu nile no n'ime ugbo ahu onwu!
"Ano m ebea ikwusi nkwugbu ahu" Nke a ka nwokorobia kwuru n'atughi egwu o bula. Ngwa ngwa ndi isi ugbo ahu no na mgbagwojuanya zigara oka ikpe ahu nyere iwu nkwugbu a ozi, kooro ya ihe ha zutere n'uzo.

Mgbe onye oka ikpe ukwu a, tulechara nwokorobia na aririo ya, o kwetara ihapu nwokorobia ka o buru ihe ngbanwe nye ndi ojoo ahu no n'ime ugbo, n'ihu na a choputara na-onweghi ihe ojoo o bula nke ahuru n'ime ndu nwokorobia. O bu onye di nso n'akuku nile ma o nyere onwe ya na-anaghi ugwo o bula I nara ikpe amara ndi ozo.

## Ihunanya Ya N'Eebe Ndi Ikpe Mara Wee Puta Ihe

Mgbe gi na ndi ozo no na-ele anya e duru ya puo igbu ya. Atara ya ahuhu, mekwaa ya akaja n'ihi ndi hurula onwu ha anya. Achoro m ka ichee echiche na nwa oge nta maka mmeso oma di otu a. Otu osi buru oke ihe di omimi na mmadu nyere onwe ya inwu n'onodu ndi a mara ikpe onwu.

Mgbe a kwunyere nwoke a na-emeghi ihe ojoo n'elu obe, otiri mkpu nwute n'oke olu mgbe o choro enyemaka, mana enyemaka abiaghi. N'ikpe azu o rara ndu ya nye, n'ihi gini?, ka ewe gbaghara ndi nile no n'ime ugbo ahu ka ha wee dikwa ndu. Onye oka ikpe ukwu ahu wee nye iwu ihe ndi ahu no n'ime ugbo ahu ga-eme ka e wee tohapu ha site n'aja onwu ahu nwokorobia a churu.

## Nke Bu Eziokwu

Ihe a abughi nani akuko, o bu ihe mere eme. Akwukwo nso kwuru ya:

> N'ihi na mmadu niile emehiewo, Ha adighi erukwa otuto [izuoke nke] Chineke (Ndi Rom 3:23)
>
> N'ihi na ugwo olu nke Mmehie bu onwu (Ndi Rom 6:23a)

Iwu a nke sitere n'ulo ikpe okpecha ogwu nke elu igwe putara na mmadu e nweghi ngopu n'ebe mmedie di, ozo na-aga ama mmadu niile ikpe iba n'oku ala muo, ebe a ga-ewzuga ha n'ebe Chineke no mgbe ebighi ebi. Mmadu niile na-agupughi onye o bula no n'okpuru ikpe omuma Chineke. – N'ime ugbo nke na-aga n'uzo onwu ebighi ebi.

## Igba Mbo Nke Mmadu

Akwukwo nso mere ka anyi mara otu mbo mmadu gbara igu onwe ya n'onye ikpe na-amaghi n'ihu Chineke si buru ihe efu. Mmadu nwere ike i si, "otu odi, ana m anwa ike m ime ihe di mma", ma akwukwo nso siri –

> O dighi onye bu onye eziomume, O dighi otu onye ma-oli (Ndi Rom 3:12b).

Site n'okwu a gini bu onodu mmadu onye ozo nwere ike ruo uka si, "ana m agbasi mbo ike idebezu Iwu Chineke" Akwukwo nso wee nyekwa osisa ozo si –

> N'ihi na onye o bula nke ga-edebe iwu ahu dum, ma su ngongo n'otu ihe, emewo ya ka o buru onye ikpe iwu ahu nile mara (Jemes 2:10).

Ajuju wee buru, ole n'ime iwu Chineke ka mmadu ga-edebe ka o wee buru onye Chineke ga-anabata n'ime ala eze eluigwe? Ha niile! Imebi otu n'ime iwu ndi a putara ezughi oke n'ime iwu ndi ozo niile (Jemes 2:10). Onye puru izuoke na ha niile? Onye puru ino otu ubochi, otu izu uka ma o bu otu afo na-enupughi isi n'iwu Chineke?
Nke bu eziokwu bu na –

> Odighi onye bu onye eziomume, o dighi otu onye ma oli (Ndi Rom 3:10).

Mmadu ka nwekwara ike I ga n'ihu iru uka na ya onwu ya na-agbasi mbo ike ibi ndu eziomume. Akwukwo nso wee sikwa ozo –

> Anyi wee dika onye ruru aru, anyi niile, na dika uwe emeruru emeru, otu a otu a ka eziomume anyi di (Aisaia 64:6a).

N'eziokwu nke a abughi ozi di mma nye onye o bula igba mbo nile nke mmadu iji buru onye Chineke nabatara bu ihe alara n'iyi. Gini ozo foduziri anyi?

***Onweghi!***

O putara na – enweghi nnabata n’ebe Chineke no o putara na onwekwaghi mmadu obula ga-aba ala eze eluigwe? O bughi otu a. Nani ihe o putara bu na igba mbo nke mmadu by ihe efu. Nani Amara Chineke bu olileanya foduru mmadu.

### Onodu Nke Enweghi Enyemaka Nke Mmadu

Onyenweanyi Chineke nke kere ihe niile di nso. O bu onye dikarisiri nso na Chineke nke ikpe ziri ezi. N’idi nso ya, o naghi acho mmekorita mmehie ma o bu ndi mmehie (1 Jon 1:5). Dika Chineke nke ikpe ziri ezi o bu, o dighi mmehie o bula nke n’enweghi ntaramahuhu. O dighi onye o bula n’ezughi oke ga-aba na nweko n’ebe Chineke zuru oke no. Obu ihe ana-apughi ime site n’ikike nke mmadu.

> N’ebe mmadu no nka bu ihe a na-apughi ime; ma apuru ime ihe niile n'ebe Chineke no (Mat. 19:26b).

Rue ugba a, mmadu na igba mbo ya niile e nweghi ike iru ogogo Chineke n’ebe idi nso di. Mmadu chere na o bu onye oma ma Chineke siri – “odighi onye n’eme ihe oma,o dighi o buna otu onye” (Ndi Rom 3:12b). Onye ozo na-eche na o na-ebi ndu oma, ma Chineke zara si: Odighi onye bu onye ezi omume (Ndi Rom 3:10). Mmadu ozo wee na-echekwa na o nwere ike ibu onye eziomume site n’idebe iwu Chineke. Chineke zara si;

> Ma ebe anyi matara na agughi mmadu n’onye eziomume
> site n’olu di iche iche nke iwu (Ndi Galatia 2:16a).

N’eziokwu, odighikwa ohere ozo foduru mmadu iji gbanahu oke ikpe nke Chineke dewere mmadu niile. Enweghi mgbapu n’ebe ikpe a di. Onye o bula guzo dika ndi ekperela ikpe, ndi ikpe mara, na ndi a marala ikpe onwu nke oku ala muo na-gbanye igba mbo nile nke mmadu gbara onwe ya, I gbanahu onodu a, o bu ihe rara ahu ime. Nke a o putara na anyi enwekwaghi olile anya ozo. Igbanahu oke ikpe Chineke a ? o bughi otu a Chineke nwere otu usoro maka mgbapu uzo nke amara. Soro uzo amara a ma nwere onwe gi ma o bukwanu iju uzo a ma chere oke iwe ebighi ebi nke Chineke (Jon 3:36).

### Ozi Oma Ahu

Mgbe ahu mmadu na-acho igbanahu ikpe Chineke n’ikike nke onwe ya, otu onye biara wee naputa mmadu. Onye a biara bu Jisos Kraist okpara Chineke na’enweghi oyiri. Dika okpara nke na-enweghi ntupo, o nyere onwe ya dika onye tozuru oke inara ikpe onwu nke mmadu. Jon onye owu mmiri kwuru okwu banyere nwoke a na-enweghi oyiri bu Jisos Kraist si,

> Lee Nwaturu Chineke, Nke na-ebupu mmehie nke uwa (Jon 1:29b).

O nara ntaramahuhu maka mmehie anyi. Pita onye ozi dekwara si,

> Onye ya onwe ya [Jiso Kraist] buru mmehie nile Aayi n’aru ya n’elu osisi ahu (1 Pita 2:24a).

Pol onye ozi kwuru nke a:

> Ma Chineke n'eme ka ihunanya nke aka ya puta ihe, n'ihi na mgbe anyi no n'abu ndi mmehie, Kraist nwuru (dika ihe ngbanwe) n'ihi anyi (Ndi Rom 5:8).

A kwuola ugwo mmehie, n'ozuzu oke, n'otu oge a maka mmadu niile (Ndi Hibru 9:12).

## Kedu Ka Ozi Oma a Si Dikewe Mma

A kwuola ugwo iwu onwu n'ozuzu oke. E wee wepu ihe ogbachi di n'etiti Chineke di nso na mmadu nke mmehie. O bu mmehie kewapuru mmadu n'ebe Chineke no (Isa 59:2). Jisos Kraist wepuru ihe ngbachi a site n'onwu onwuchitere mmadu n'elu obe. Obubu onu nke ebokwasiri mmadu n'ihi edebezughi iwu ahu ka o bupuru site n'onwu ahu onwuru n'elu obe n'ihi mmadu. Kraist gbaputara anyi n'aka obubu onu nke iwu site n'iburu anyi obubu onu, e dere ya si –

> Onye ana-abu onu ka o bu, bu onye o bula nke anakwuba n'elu osisi (Ndi Galatia 3:16b).

O bu nani Jisos Kraist, ma ewuzuga mgbali niile ozo mere udo n'ebe Chineke no (1 Timoti 2:5). Nsogbu nke mgbidi a na-apughi igafe agafe, erubeghi isi nke mmadu nye iwu Chineke na gbali nke mmadu n'ezughi oke ka Jisos Kraist gboro n'elu obe.

> Mgbe o hichapusirikwa ihe anyi ji aka anyi dee n'akwukwo
> ike onwe anyi agbu nke megidere anyi, bu ihe e dere n'iwu nye anyi
> nke n'eguzogide anyi. O wepuwo kwa ya n'etiti anyi na ya,
> n'akpogide ya n'obe ya (Ndi Kolosi 2:14)
>
> N'ihi na ya onwe ya bu udo anyi, onye mere ihe abuo ahu ka ha buru
> otu ihe. Onye kwadakwara mgbidi etiti nke ngige, ebe o bu n'ime anu aru ya
> ka o mere ka iro ahu ghara idi ire bu iwu nke bu ihe di iche iche e nyere n'iwu;
> (Ndi Efesos 2:14,15a).
>
> N' ihi na mgbe anyi no n'abu ndi mmehie (ndi iro nke Chineke) Kraist nwuru (dika ihe ngbanwere) n'ihi anyi (Ndi Rom 5:8b).

## Uzo Mputa Nke A Na-apughi Ichefu Echefu

Kporo uche gi laa azu n'ebe ugbo okporo igwe ahu gaje n'uzo onwu no. Mgbe nwoke ahu n'enweghi ntupo nyechara ndu ya, onye o bula choro isi n'ime ugbo okporo ahu puta ga – esiteriri n'otu uzo nke e weputata. Uzo a kwanyere onwu onye eziomume a ugwu, onye nyere onwe ya inwu n'onodu ha. Ihula uzo mputa nke a na-apughi iche echefu.

Chee echiche ihe ndi nwere ike idi n'obi ndi a amaworo ikpe onwu, ndi rubere isi n'okwu onye oka ikpe wee si n'uzo mputa ahu baa ma nwere onwe.

Chineke sitere n'eluigwe wee nye iwu. Otu mkpebi ikpe nke anabatara n'ebe ikpe ya ziri ezi di bu ibanye site n'otu onu uzo ahu. Enweghi ngwakorita o bula nye uzo a nkwubi okwu Chineke na-adigide. Ndi niile no n'ime ugbo ahu ga-aputariri site n'otu uzo a. Onye o bula nke choro iba na-ala eze Chineke aghaghi iba site n'otu uzo ahu nke Chineke weputara.

## Onu Uzo Ele Igwe

Ebe o mekutara mkpebi ikpe Chineke, Jisos Kraist n'onwe ya na-ekwu:

> Mu onwe m bu uzo na ezi-okwu na ndu; O dighi onwe o bula nabiakute Nna m, [N'eluigwe] ma o bughi site na mu (Jon 14:6).

Luk tinyekwara nke ya:

> Nzoputa adighikwa n'onye o bula ozo; n'ihi na aha ozo d iche adighikwa n'okpuru elu igwe nke enyeworo n'etiti mmadu; nke a na-aghaghi izoputa anyi n'ime ya (Olu ndi ozi 4:12).

Nke putara na ewezuga Jisos Kraist, o dighi mmadu o bula a puru izoputa ma o bu baa n'ala eze eluigwe. Jisos Kraist n'onwe ya mere ka o wee anya na odighi uzo ozo puru idigide. Ihe Chineke kwuru bu ezi okwu soro uzo ahu wee banye ma o bu hapu iba n'ala eze eluigwe ruo ebighi ebi.

## Kaaga Esi Azoputa Gi

Odi nani otu uzo e si abanye ala eze eluigwe, uzo ahu bu site na Jisos Kraist. Jisos Kraist kwuru si –

> Mu onwe m bu onu uzo ahu, o buru na onye o bula e si na mu baa, aga-azoputa ya (Jon 10:9a).

Olee otu mmadu nwere ike isi baa n'uzo nke o na-ahughi anya? Jisos Kraist bu uzo ahu, obu kwanu site nani inwe okwukwe na Jisos ka mmadu ga – esi baa n'uzo ahu. Otu onu uzo, otu mbanye, otu inwe okwukwe nani na Jisos . Olee otu ogo okwukwe ga – eru? Nani obere okwukwe dika mkpuru mustard (Matu 17:20).

**Omuma Atu iji gosi Okwukwe:** N'agba ochie n'ime akwukwo nso, umu Israel wee nupuru Chineke isi. Chineke n'ikpe ya ziri ezi wee zite agwo ahu tara ma gbuokwa otutu mmadu. Ndi Israel n'ime oke ahuhu a wee kwuputara Chineke mmehie ha. O buru na Chinenke choro, o nwere ike ihapu agwo ndi a ka okpochapu ndi Israel a na – enupu isi, ma na o meghi ya. Gini ka Chineke meziri? N'amara ya na-enweghi atu, o gwara Moses okwu si –

> "Mere onwu gi agwo yiri oku tukwasi ya na okoloto [Elu osisi] o ga –erukwa na onye o bula ataworo ga-adi ndu, mgbe o huworo ya anya (Onu ogugu 21:8).

Moses wee mee dika Chineke gwara ya. I huru na Moses soro ukpuru ahu Chineke turu. Mgbe oge ruru ka umu Israel debe ukpuru Chineke turu dika Moses n'onwe ya debere, Ha nwere ochucho I horo – Ime ihe Chineke kwuru ma o bu agwo itagbu ha.

N'eziokwu, ndi niile ahu agwo tara, ndi na-arughi uka nye amara Chineke ma o bu amamihie ya, ma o bukwanu nye mkpesa maka idi mfe nke ukpuru Chineke, ka ha lere agwo ahu Moses mere anya, wee di ndu (Onu ogugu 21:9). Lee ka o si di ebube, dikwa itunanya, ma dikwa oke mfe bu amara Chineke n'ebe umu Israel no. Obu ihe di oke mfe na okenye na nwata ga-ele nani agwo anya wee di ndu.

O dighi udi oru o bula agbakwunyere okwa amara aja a. Odighi nkwa o bula Chineke choro, odighi itinye onwe n'olu, ma o bu ijere nzuko ozi, ma o bukwanu inyeghari onwe achoro, odighikwa iwu nmiri ma o bu otu uzo n'uzo iri achoro n'aka gi. Gini bu udi amara a n'egbo mkpa nke sitere n'ulo ikpe Chineke onye na-ahu anyi n'anya. Otu Chineke a nyere Moses iwu na puku afo ole na ole gara aga, e nyekwala mmadu okwa maka igbo mkpa ozo dikwa mfe iji naputa ya n'onodu enweghi enyemaka.

### Okpara Chineke e Buliri Elu

> Ma dika Moses weliri agwo n'ohia, o buna otu a aghaghi iweli Nwa nke mmadu elu, ka onye o bula nke kwere we nwee ndu ebighi ebi (Jon 3:14-15).

E weliri Jisos Kraist elu mgbe akpogburu ya n'obe. Dika umu Israel lere agwo ahu Moses weliri elu anya, I nwere ike ileli anya n'elu obe, site nani n'inwe okwukwe na Jisos Kraist, Chineke n'onwe ya ga-enye gi owuwe anya na iwela ndu ebighi ebi.

N'ime ozara, e mere ka ha lee agwo anya. Gini bu uru di n'ile anya a? O nweghi uru o bula. N'elu obe o bu nani I kwere. Ozo o di uru di n'kwere? O dighi. Nani na Jisos ka uru di Lee ka o si di mfe bu onyinye nke nnaputa Chineke n'ime ozara mgbe ahu, lekwaa ka o si di mfe bu onyinye nke nzoputa Chineke n'oge a. Chineke na-eme ka ihe di mfe, mana Ekwensu na ndi otu ya na-eme ka onyinye amara nke nzoputa Chineke bu ihe rara ahu. Nzoputa bu ihe di mfe. O di mfe dika "kwere na ya", na-abughi "kwere ka e mekwa gi baptism", na-abughi "kwere ma bia soro ndi nzuko anyi" na-abughi "kwere ma chegharia ma kwerekwa ozo" na-abughikwanu "kwere ma mee Jisos onye nwe" Jisos aburula onye nwe site na mbu. O dighi oru o bula nke agbakwunyere na okwukwe. Okwa Chineke n'ebe nzoputa di ka e kwuru n'ebe o doro anya:

> Onye [Nke gunyere gi] kwere N'okpara ahu nwere ndu ebighi ebi, ma onye n'ekweghi [okwa ahu ka ikwre] n'okpara ahu agaghi ahu ndu kama iwe Chineke na anogide n'aru ya (Jon 3:36).

N’ihi na Chineke huru uwa n’anya otu a, na o nyere
o buna okpara o muru nani ya, ka onye o bula nke kwere na ya
wee ghara ila n’iyi, kama ka o nwee ndi ebighi ebi (Jon 3:16).

Ma edewo ihe ndi a n’akwukwo, ka unu wee kwere na Jisos bu Kraist
ahu, okpara Chineke, ka unu wee nwekwa ndu n’aha ya, n’ihi na
unu kwere (Jon 20:31).

## Ikwesi Ntukwasi Obi Nke Chineke

Chineke o puru ikwu okwu (ugha) asi? O bughi ihe kwere omume

Chineke abughi mmadu na-oga – ekwu okwu ugha (Onu ogugu 23:19).

O buru na Chineke si “onye o bula nke kwere n’okpara ahu nwere ndu ebighi ebi” ya eme ya (Jon 3:36), okwu ya na-eguzosike. Ihe okwuru ka o ga-eme. O buru na o si, “onye o bula nke kwere na ya (Jisos Kraist ) agaghi ala n’iyi (ya-eme ya: Jon 3:16). Ihe okwu ya putara bu na onye ahu nke tukwasiri obi ya na Jisos Kraist agaghi aba n’oke ala muo. O bu ihe di mfe otua. N’uzo nke ozo, o buru na Chineke siri, “onye ahu nke kwere na Jisos Kraist, mee ya onye nwe, nke emekwara baptism, burukwa onye n’etinye uche n’olu Chineke, a gaghi ala n’iyi” o di mma na I mezuru ihe ndi a ma o buru na I nwere olile anya idi ndu ebighi ebi. Ma leenu udi nwere onwe anyi nwere n’ihi na ogbakwunyeghi ihe ndi a niile. Otu ihe putara ihe n’okwu ya bu:

“Kwere n’onye nwe anyi Jisos, aga azoputakwa gi” (Olu ndi ozi 16:31).

Nke a bu amara Chineke n’ebe o putara ihe

## Mkpebi Gi Nke Kacha Mkpebi Niile

N’oge a, I nwere ike inwe mkpebi uku a nke ga-agbanwe usoro ndu gi rue ebighi ebi. Kedu otuzo a ga-esi eme ya? Site n’ikwuputara Chineke nna anyi, n’ime obi gi ma o bu ebe aga anu ihe ikwuru na I na – ekwere ugbua n’okpara ya, onye eweliri n’elu obe ka o nwu n’onodu gi. Mgbe itukwasiri obi gi nani na Jisos Kraist na –abughi na mmanye, I ruberela okwu Chineke. N’otu oge ahu oru iraba ama nke nzoputa ga-ebido n’ime ndu gi. Nke a bu oge di uku n’ime ndu gi. Ndu nke a gbaputara siti n’olu ebube nke amara Chineke ruo ebighi ebi.

N’ihi na o bu amara ka ejiworo zoputa unu site N’okwukwe (Ndi Efesos 2:8a).

Gini bu ihe iriba ama ndi a? Chineke na igbanwere okwukwe gi nke n’esighi ike na eziomume nke rere ure, nyere gi eziomume nke ya onwe ya zuru oke (Ndi Rom 3:22). Nke a bu ntoala nke odudo nso. N’ime ihe ndi ozo niile, o nyere gi ndu ebighi ebi (Jon 3:16). N’otu ntabi anya, gi wee nwee eziomume nke Chineke, nwekwa ndu ya onwe ya n’ime gi.

Onyinye amara Chineke ndia nke I natara nke mbu n'ime ndu gi e mela ka I buru onye tozuru oke iso Chineke biri n'ala eze elu igwe ebighi ebi.

Gini ka I mere I ji nata ihe ndi a niile? O nweghi. N'ihi ya I nwere nkwuwa okwu n'ataghi ujo o bula I si na odighi oru obula iruru, ma o bu ikwesi ibu onye azoputara ma e wezuga amara Chineke. Nke a putara na o dighi oru o bula ozo a ga-aru n'elu nka Chineke ruru. Oru Chineke ruru bu ekwuchaa ogwu. Onweghi mgbagha (Ndi Rom 11:29).

Nke a bu ozi oma ahu. Ohere ahu erutela, o di gi na-aka ime mkpebi ahu. nzoputa bu site na-inwe okwukwe n'ime na Jisos Kraist. Nke a bu nani uzo mgbapu nke Chineke mere. Nabata onyinye amara ka e nwe nwogha gi ma o bu kwanu iju onyinye amara ma nara ntaramahuhu nke onwu ebighi ebi.

Mkpebi ikpe nke Chineke ka bu kwa –

> Onye kwere n'okpara ahu nwere ndu ebighi ebi; ma
> onye n'ekweghi [okwa ka ikwere] okpara ahu, agaghi ahu ndu, kama iwe Chineke na-anogide n'aru Ya (Jon 3:36).

Ohere nhoro a diri nani gi; n'ihi ya ka anyi ji kpee ekpere n'ihi gi:-

*Nna anyi nke bi n'eluigwe, anyi na-ekele gi n'ihi onyinye amara gi, nkebu okpara gi onye enyere n'elu obe. Anyi na –ekele gi n'ihi na imere nzoputa gi ka o buru ihe diri onye o bula mfe inweta. Anyi na-ario ariro nye ndi niile ndi guru akwukwo ozi oma a, ndi n'enwebeghi mkpebi uku a n'ime ndu ha. Anyi na-ario gi ka ha biaruo n'onodu inwe nghota zuru oke ihe oputara inara ma o bu iju onyinye nke nzoputa a I nyere. Biko Chineke nna anyi mee ka onye o bula nke n'ekwere beghi na Kraist ga-n'ihu na- atughari ozi oma n'ime obi ya. Na aha Jisos Kraist, Amen.*

### Maka Ndi Kwere Ekwe

Chineke choro ka I na-eto n'ime amara (11 Pita 3:18). O bu ochicho ya, ka agu okwu ya nke ana – agwaghi mmiri na-agu gi mgbe niile (1 Pita 2:2).

### Ariro Ekpere (Nani Maka Ndi Kwere Ekwe)

> N'anogidesinu ike n'ekpere-unu n'amukwanu anya n'ime ya
> n'ikele ekele (Ndi Kolosi 4:2).
>
> Arriro nke onye ezi omume [Eziomume nke sitere n'ikwere na Kraist] di ike nke uku n'ilusi olu ike ya (Jemes 15:16b).
>
> N'ekpekwanu ekpere n'ihi anyi [Tinyekwa Mosis na Grace Evangelistic Ministries] n'otu oge ahu, ka Chineke wee meghara anyi onu uzo ikwusa okwu ya, ka anyi we kwuo---- Kraist (Ndi Kolosi 4:3).

## Zuta Eziokwu Erekwala Ya
**(Ilu 23:23a)**

Owere gi anya na nkuzi akwukwo nso di omimi bu ola ocha nke ime muo nke di oke onu ahia, nke a na apughikwa iji ego zuta? N'eziokwu, usoro akuko nzuko gosiri otu osi buru ihe rara ahu inweta nkuzi okwu Chineke gbara okpurukpu, okachasi nke n'ego ogbana ohuu nke ndi oyiri Kraist. N'ihi ya mgbe Chineke si n'obi amara ya duru anyi baa n'ezi okwu nke okwu ya na enweghi odida, anyi kwesiri ichekwa okwu ya a na-agbanyeghi ihe o ga-ewe. Akwukwo nso bu igbe ulo-aku nke ji onu nke ndu enwebigara oke gi. Iji nweta obi anuri zuru oke n'ime-udu, ndi enyi alumalu, iji ego acho ego, na inweta ngozi nke a na-apughi igbochi egbochi nke taa na nke echi, n'ihi ya zuta ezi okwu (gbaa mgborogwu n'ime okwu a) "n'ihi na amamihe di mma karia ruby; ihe niile kwa nke na-ato mmadu uto, ha agaghi ara ka ya (Ilu 18:-11).

**Eziokwu –** N'ihi na unu anoghi n'okpuru iwu kama n'okpuru amara (Ndi Rom 6:14b).

---

"Ma na-abanu uba n'amara n'omuma nke onye new anyi
bu onye nzoputa anyi Jisos Kraist. O bu ya ka otuto diri
ma ugbu a, ma rue ubochi nke mgbe ebighi ebi Amen"
(2 Pita 3:18).

**Iji nata akwukwo a ma obu akwukwo ndi ozo biko detara anyi akwukwo na**

Grace Evangelistic Ministries, Inc.
P.O. Box 583
Jos, Plateau State
Nigeria

Darlington
dekwae@yahoo.com